# Ozi nke Oziọma – *Biko gụọ ihe ndị a na-esota*:

| | |
|---|---|
| *Jen 1:1* | *Na mbụ, Chineke kèrè eluigwe na ụwa.* |
| Ndị Rom 3:23 | *N'ihi na mmadu niile emehiewo, ha adịghị erukwa òtùto Chineke.* |
| Jọn 8:34 | *Jisus zara ha sị, n'ezie n'ezie asị m ụnụ, onyeọbụla nke na-emehie bụ oru mmehie.* |

Chineke kèrè anyị, mana anyị amaghị Ya; anyi bukwa ndị e wezụgara pụọ n'ebe Chineke nọ n'ihi ụdịdị mmehie nke anyị. Ndụ anyị na-ebi n'enweghị Chineke enweghi isi, o nweghikwa m̀bùnuchè ọbụla. Ihe mmehie anyi na-ebute (ụgwọ anyị ga-akwụ) bụ ọnwụ, ma nke mmụọ ma nke anụahụ. Ọnwụ nke anụahụ bụ irē ùre nke ahụ. ọ burụ na anyị nwụọ na mmehie anyị, anyị ga-abụ ndị e wezụgara pụọ n'ebe Chineke nọ wee ruo ebighi ebi, ebe nkwụsị anyi ga-abụkwa n'ebe ịhụjuanya ga-adị. Olee otu anyị pụrụ isi zọpụta onwe anyị site na mmehie anyị wee gaghachikwu Chineke? Anyị apụghị ịzọpụta onwe anyi maka nà ọ bụghi ihe kwere omume ka onye mmehie zọpụta onwe ya (ọ̀bụnā dịka onye mmiri na-eri apụghi ịzọpụta onwe ya). Ndị ọzọ apụghịkwa ịzọpụta anyị maka nà anyi niile na-eme mmehie (otu onye mmiri na-eri apụghị ịzọpụta onye ọzọ mmiri na-eri, enyemaka dị ha abụọ mkpa). Onye enweghi mmehie (nke mmiri anaghi eri) dị anyi mkpa iji zọpụta anyị na mmehie anyị. Naanị onye anaghị emehie pụrụ ịzọpụta anyị. Olee otu e si enweta onye anaghị emehie n'ime ụwa mmehie, ebe mmadụ niile mehìèrèlà?

| | |
|---|---|
| *Ndị Rom 6:23* | *N'ihi na ụgwọọlụ nke mmehie bụ ọnwụ; ma onyinye amara nke Chineke bụ ndụ ebighi ebi n'ime Kraịst Jizọs Onyenwe anyị.* |
| *Jọn 3:16* | *N'ihi na Chineke hụrụ ụwa n'anya otu a, na O nyere ọbụna Ọkpara Ọ mụrụ naanị Ya, ka onyeọbụla kwere na Ya wee ghara ịla n'iyi, kama ka o nwee ndụ ebighi ebi.* |
| *Matiu 1:23* | *"Lee nwaagbọghọ ahụ na-amaghị nwoke ga-adị ime, ọ ga-amụtakwa nwa nwoke, ha ga-akpọkwa aha Ya Immanuel."* |
| *Jọn 8:23* | *O wee sị ha, ụnụ onwe ụnụ si n'ebe dị ala pụta; Mụ Onwe M si n'ebe dị elu pụta: ụnụ onwe ụnụ si n'ụwa nke a pụta; mụ onwe m esighi n'ụwa nke a pụta.* |
| *Mak 1:11* | *Olu wee si n'eluigwe ahụ daa, sị, Gị Onwe Gị bụ Ọkpara m m hụrụ n'anya, ihe gị dị̀ m ezi mmā.* |
| *Jọn 8:36* | *Ya mere Ọ bụrụ na Ọkpara ga-eme ka ụnụ pụọ n'orù, ụnụ ga-abụ ndị pụwòrò n'orù n'ezie.* |
| *Jọn 3:3* | *Jizọs zara, sị ya, n'ezie n'ezie asị m ị, ọ burụ na a mụghị mmadụ ọzọ, ọ pụghị ịhụ Alaeze Chineke anya.* |
| *Jọn 1:12* | *Ma kà ha rà bụ ndị naara Ya, ha ka O nyere ike ịghọ̀ ụmụ Chineke, bụ ndị kwere n'aha Ya:* |

Chineke Onye kere anyị hụru anyị n'anya nke ukwu wee nye anyị ụzọ mgbapụ̀. Site n'oke ihụnanya Ya n'ebe anyị nọ, O zitere Nwa nke Ya, Jizọs, ka Ọ nwụọ maka mmehie anyị. Iizọs

enweghi mmehie ọbụla maka na O siteghi n'ụwa, mgbe Ọ nọkwa n'ụwa, O meriri ọnwụnwa Ekwensu nā-adọga na mmehie. Ndụ Ya tọrọ Chineke ụtọ n'Eluigwe. Jizọs bùòrò mmehie anyị wee nwụọ n'obe maka mmehie anyị. Ọ bu ya bụ Onyenzọpụta nke ndụ anyị (Jizọs pụrụ ịzọpụta anyị maka na mmiri anaghị eri Ya). M̀bùnuche nke ọnwụnwụ Jizọs n'obe bụ iji kwụọ ụgwọ maka mmehie anyị wee site na ya wepu mmehie anyị n'ebe anyị nọ, wee weghachite mmekọrịta anyị na Chineke bụ nke ghāsàbùrù àghasa. Anyị na-esite n'ọnwụ nke mmụọ (mwepu n'ebe Chineke nọ) bilie site site n'ike Chineke. Mmekọrịta ọhụụ à ka a na-akpọ ịmụ ọzọ. Nke a na-eweghachi anyị nà m̀bùnuche nke òkìkè nà ọ̀dịdị ndụ̀, ma na-enye anyị ezi nghọta na m̀bùnuche nke ịdị ndụ.

| | |
|---|---|
| *John 11:25* | *Jizọs sịrị ya, 'Mụ Onwe M bụ mbilite n'ọnwụ na ndụ: onye nekwere na Mụ, ọbụla ma a sị na ọ nwụrụ anwụ, ọ ga-adị ndụ ọzọ:'* |
| *Ndị Rom 6:9* | *N'ihi na anyị matara na ebe e mere ka Kraịst si na ndị nwụrụ anwụ bilie,Ọ gaghị anwụ ọzọ; ọnwụ abụghịkwa onye na-enwe Ya ọzọ.* |
| *Ọlụ Ndị Ozi 2:24* | *Onye Chineke mere ka O si n'ọnwụ bilie mgbe ọ tọ̄pụ̀sịrị ihe mgbu nke ọnwụ: n'ihi na ọnwụ apụghị ijide Ya.* |
| *Ndị Rom 14:9* | *N'ihi na ihe Kraịst jị nwụa, dịkwa ndụ ọzọ bụ nke a, ka O wee bụrụ Onyenwe ma ndị nwụrụ anwụ ma ndị dị ndụ.* |
| *Ọlụ Ndị Ozi 1:11* | *Ndị sịkwara, 'ndịikom nke Galilii, gịnị mere ụnụ na-eguzo na-ele anya n'eluigwe? Jizọs nke Onye a napụrụ n'ebe ụnụ nọ rigo n'eluigwe, ga-abịa n'otu aka ahụ dịka ụnụ kiriri Ya ka Ọ na-aga n'eluigwe.* |

Gịnị bụ ihemgbaàmà nà àjà nke ọnwụnwụ Jizọs maka mmehie anyị bụ ihe Chineke nabatara n'eluigwe? Ihemgbaàmà ya bụ mbilite n'ọnwụ nke Jizọs nke Chineke wetara. Site na mbilite n'ọnwa ahụ, e gosipụtara na Jizọs emeriela ọnwụ (maọbụ, n'ikwu ya n'ụdị ọzọ, ọnwụ enweghị ike ọbụla n'ebe Jizọs nọ). Ugbua, n'ihi na jizọs na-adị ndụ, anyị pụrụ ịdịkwa ndụ. Ndụ Ya nke dị n'ime anyị na-enye anyị ndụ. Ọzọ kwa, n'ihi na O biliwo, Ọ dị ndụ taa.

| | |
|---|---|
| *Jọn 5:24* | *N'ezie n'ezie asị m ụnụ onye na-anụ okwu m, nke na-ekwerekwa Onye zitere m, o nwere ndụ ebighi ebi, ọ bịaghịkwa n'ikpe, kama o sitewo n'ọnwụ baa na ndụ.* |
| *Jọn 10:9* | *Mụ Onwe M bụ ọnụụzọ ahụ: ọ bụrụ na onyeọbụla esi na Mụ bàa, a ga-azọpụta ya, ọ ga na-abatakwa na-apụkwa, na-ahụkwa nri ọ ga-ata.* |
| *Jọn 14:6* | *Jizọs sị ya, Mụ Onwe M bụ Ụzọ, na Eziokwu na Ndụ: ọ dịghị onyeọbụla na-abịakwute Nna m ma ọ bụghị site na mụ.* |
| *Jọn 8:24* | *Ya mere, M sịrị ụnụ na ụnụ ga-anwụ na mmehie niile ụnụ: n'ihi na ọ bụrụ na ụnụ ekweghi na Mụ Onwe M bụ Ya, ụnụ ga-anwụ na mmehie niile ụnụ.* |
| *Ọlụ Ndịozi 4:12* | *Nzọpụta adịghịkwa n'onyeọbụla ọzọ: n'ihi na aha ọzọ dị iche adịghịkwa n'okpuru eluigwe nke e nyeworo n'etiti mmadụ nke a na-aghaghị ịzọpụta anyị n'ime ya.* |
| *Ndị Rom 10:13* | *N'ihi na, onyeọbụla nke ga-akpọku aha Onyenwe anyị, a ga-azọpụta ya.* |

| | |
|---|---|
| *Ndị Rom 10:11* | *N'ihi na ihe e deworo n'Akwụkwọ Nsọ na-asị, 'onyeọbụla nke kwere na Ya, a gaghị eme ka ihere mee ya.'* |
| *Ndị Rom 2:11* | *N'ihi na ile mmadụ anya n'ihu adịghị n'ebe Chineke nọ.* |
| *Ndị Rom 3:22* | *Ma ọ bụ eziomume Chineke, site n'okwukwe e kwere na Jizọs Kraịst, nke dịịrị ndị niile kwere; n'ihi na ọ dịghị ihe dị iche.* |
| *Ndị Rom 10:9* | *Na ọ bụrụ na ị ga-ewere ọnụ gị kwupụta Jizọs na Ọ bụ Onyenwe anyị, ọ bụrụkwa na ị ga-ewere obi gị kwere na Chineke mere ka O si na ndi nwụrụ anwụ bilie, a ga-azọpụta gị.* |

Olee otu a pụrụ isi wepu mmehie anyị, anyị ewee nata ndụ ọhụụ à? Site n'ikwere na Jizọs dịka Onyenwe anyị na Onyenzọpụta anyị. Ọ bụrụ na anyị chegharịa wee pụọ n'ụzọ mmehie niile anyị wee kpọọ Jizọs ka Ọ gbaghara ma zọpụta anyị, Ọ ga-eme ya. Jizọs bụ Ọkpara Chineke Onye bịara n'ụwa inwụ maka mmehie anyị. Onyeọbụla n'ụwa nke na-atụkwasị Ya obi ga-anata mgbaghara mmehie site n'aka Chineke. Chineke anaghị ele mmadụ anya n'ihu. Ọ bụghị Onye echiche Ya na-agbanwe site n'ile anya na - mbà anyị si pụta, asụsụ anyị na-asụ, ogbènyè màọ̀bụ̀ ọ̀gàrànyà, nwoke maọbụ nwaanyị, nwata maọbụ okènyè, maọbụ n'iheǹdịiche ndị ọzọ anya nà-àhụ. Onyeọbụla kweere na Jizọs ma na-ekwuputa Ya ka a gà-àzọpụ̀ta. Ekpere nke a na-esote bụ ekpere nke ị pụrụ ikpe ma ikpebie isoro Jizọs:

Chukwu bi n'Eluigwe, ekele m gị maka izite Ọkpara Ị mụrụ naanị Ya, Jizọs, ka Ọ nwụọ maka mmehie m, ka o wee bụrụ nà e nwere ike ịzọpụta m ewee m nwee ndụ ọhụụ nke sitere n'eluigwe. Ana m echegharị n'ụzọ m niile ma na-arịọ mgbaghara mmehie maka mmehie m niile. Ana m ekwere na Jizọs ma na-anabata Jizọs dịka Onyenwe m na Onyenzọpụta m. Nyere m aka duzie m ka wee bie ndụ ga na-atọ gị ụtọ n'ime ndụ ọhụụ a nke ị na-enye m. Amen

Ọ bụrụ na i kpeela ekpere a dị n'elu, gwa Chineke ka O gosi gị nzùkọụkà nke ị ga-aga. Na-agwa Chineke okwu n'ekpere mgbe niile, Chineke ga-agwa gị okwu. Gee ntị n'olu Chineke. Chineke ga-eduzi gị. Ọ hụrụ gị n'anya, Ọ gakwa elekọta gị anya. I nwere ike ịtụkwasị Ya obi. Ọ naghị àgharịpụ ndị tụkwasịrị obi na Ya. Chineke bụ ezigbo Chineke. E nwere ike ịtụkwasị Ya obi. I nwere ike ịdabere na ya maka ndụ gị. Bute mkpa gị n'ihu Ya. Ọ na-echere gị, Ọ ga-agọzikwa gị Chineke kwuru, 'M gaghị ahapụ gị maọbụ gbahapụ gị'. Tụkwasị obi na Chukwu. Bụ̀rụ onye a gọziri agọzi site na Jizọs.

Gụọ Akwụkwọ Nsọ mgbe niile, malite n'akwụkwọ nke Jọn. Maka inwetakwu iheenyemaka nke Ịntanet **pịkịnye ebe a**.

Copyright © www.gospel.net